Nkụzi Ọrụ Nka Ahụ Dịka Ngwa Nkwalite Ịchọ Mma Ọdịnala Igbo N'etiti Ụmụakwụkwọ Sịnịọ Sekọndịrị

Si n'aka

Gloria Ngozi Ugbor
ugbor.gloria@unn.edu.ng
08067280506
Department of Arts Education/Centre for Igbo Studies,
University of Nigeria, Nsukka

Nwigwe Nwakaego Ph.D
Department of Arts and Social Science Education
Ebonyi State University, Abakiliki
&
Magnus Aniago
Magnus.aniago@unn.edu.ng
+247064977068
Institute of African Studies,
University of Nigeria, Nsukka

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na nkuzi ọrụ nka ahụ dịka ngwa ịkwalite ịchọ mma ọdịnala Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiria. Mbụnuche nchọcha a bụ ime ka ndị nkuzi mata mkpa ọ dị inyere ụmụakwụkwọ aka ịmata ihe gbasara ọrụ nka ahụ, ozi ọ na- ezi na ụzọ ichekwaba ya. Ajụjụ nchọcha atọ ka e ji wee mee nchọcha a. ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa sọvee wee mee nchọcha ya. E ji usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta ndị nkuzi asxsx Igbo dị iri anọ e ji mee nchọcha. Ngwa e jiri mee nchqcha a bx njxmaza bx nke ihe e depxtara na ya d[iri atọ na abụọ (32) n' ime nkeji atọ. Maka inyocha ngwa nchọcha, ndị nkụzi abụọ na ngalaba amụmamụ Igbo na otu onye nkụzi na-akụzi na ngalaba measurement na evaluation lebara anya na ya, bụ ndị si na ngalaba mahadum nke Naịjiriạ Nsukka. Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.79. E jiri ntụcha mini, ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na ọrụ nka ahụ ndị Igbo pụtara ihe gụnyere ichi,

ibi mbubu, egbugbu, nki, akara ọgbanje na nrịa nrịa ndị ọzọ, ide ur/uli, uhie, odo, nzu, tanjele, mgba/iyeri, aka, ịgapu/ịkpọpu ahụ na ndị ọzọ. Nchọpụta ọzọ gosiri na ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi gụnyere iji ya egosi akara njirimara mmadụ, agbụrụ maọbụ obodo, iji ya achọ mma, iji ya gosi ọkwa maọbụ ogo akụnụba, ịchụ ajọ mmụọ, ọụ nchekwaba na ịgwọkwa ọrịa dị icheiche na ndị ọzọ. Nchọcha ọzọ gosikwara na ụzọ dị icheiche a ga- esi echekwaba ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị gụnyere ikuzi ya site n'ezinaụlọ, n'ụlọakwụkwọ, izipụta ya site n'aka ndị na- eme egwuregwu ọdịnala nke onyonyo NọlịwudU, ebe a na- eme mmemme ọdịnala Igbo, ebe a na- agba egwu ọdịnala na ndị ọzọ. Ndị nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị ndị gọvmenti, ndị nkuzi na ndị nne na nna, ịhụ na e nyere ụmụaka ohere ịmụta ọrụ nka ahụ ndị a n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị maka nkwalite ọnọdụ akụnụba na nchekwaba omenala Igbo.

Ọkpụrụkpụ okwu: Omenala Igbo, Ọrụ nka ahụ, ịchọ mma, ọdịnala Igbo.

Mkpọlite

Afrika bụ obodo a mara nke ọma na-esite n'ọrụ nka ahụ ezipụta njirimara na omenala ha. Ọrụ nka ahụ na ịkanye akara a n'ala Afrika bụ ihe bidoro n'oge gboo na sechuri iri na anọ (Oma, 2019). Ọrụ nka ahụ bụ ụzọ ịchọ mma e ji egosipụta njirimara obodo, agbụrụ maọbụ otu tinyere echiche ha niile. Ịchọ mma ọdịnala a bidoro n'ala Afrika n'oge gboo, ma nke a mere na ha nwere ọrụ nka ahụ ọdịnala dị icheiche e ji egosipụta na-ezikwa ozi gbasara njirimara ha dịka omenala, akụkọ ala, ekpemekpe na nkwenye ọdịnala, ọchịchị ọdịnala, mmemme tinyere ịchọ mma. N'oge gboo n'ala Afrika, tụmadị n'ala Igbo, anaghị eyichi ahụ ha niile tụmadị ndị bi n'ime obodo, n'ihi na ọ bụ naanị obere akwa ka a na- eke n'ukwu ma were aka na ọrụ nka ahụ chọọ ahụ ha niile mma. Ebo (2018) kọwara na ọ bụ naanị mpe mpe akwa ka e ji ekpuchi ahụ, ma yebe akụkụ ahụ ndị ọzọ oghe, iji nwee ohere igosi ebe a ga-achọ ahụ ha mma dị icheiche. Kemgbe omenala bidoro ka e ji nwee mmadụ mebere obodo na otu dị icheiche bụ ndị nwekwazịrị ụzọ dị icheiche ha ji ezipụta maọbụ akanye maọbụ egbu ọrụ nka ahụ. Nke a mere na bido n'oge gboo ruo ugbua, ebe maọbụ mpaghara ọbụla a hụrụ mmadụ, site n'akara ahụ maọbụ egbugbu ndị a, a na- amata ihe gbasara onye ahụ dịka obodo o si, nkwenye, omenala ha tinyere ụdị ka ha si mara ihe gbasara ọrụ nka ahụ. Ewulu (2016) kọwara ọrụnka ahụ dịka ụzọ ịchọ mma na akara njirimara ọdịnala a na-ezipụta n'ahụ mmadụ. Ifechi (2019) kọwara ọrụ nka ahụ dịka ụzọ ịchọ mma na akara

njirimara nke mba. Ihuọma (2019) hụtara ọrụ nka ahụ dịka akara njirimara a na-ezipụta n'ihu maọbụ akụkụ ahụ mmadụ ndị ọzọ, bụ nke ebumnobi ya dị icheiche. Nke a gosiri na ọrụ nka ahụ gbadoro ụkwụ n'ịchọ mma ọdịnala na akara njirimara mmadụ maọbụ obodo, ma etu e si ezipụta ya.

N'Afrika, e nwere ụzọ ise e ji ezipụta ọrụ nka ahụ, bụ nke gụnyere igbu egbugbu, ite uri ahụ, iyi aka, iyi mgba tinyere mkpọpụ akụkụ ahụ dị icheiche. Ọrụ nka ahụ a, nwere nke zuru ala Afrika niile ọnụ ma nwee nke na-ezughị ọnụ. N'ihi nke a, nnabata ọrụ nka ahụ tinyere etu e si ezipụta ya n'ahụ gbadoro ụkwụ na omenala na nkwenye nke obodo maọbụ agbụrụ ọbụla, tụmadị ka o si gbasata ọrụ ọ na-arụrụ ha. E nwere ụzọ dị icheiche e si etinye maọbụ ezipụta ọrụ nka ahụ n'ahụ mmadụ, o nwere ike ịbụ site n'ịkawa ahụ, ibechapu akpụkpọ ahụ, igbu, ide, iyinye, ịgba anụ ahụ ọkụ maọbụ ịkpọpụ akụkụ ahụ maọbụ ihu mmadụ (Ihuọma, 2019). Ọrụ nka ahụ a nwere nke na- anọ obere oge n'ahụ mmadụ ma nwee nke na-adịgide n'ahụ onye ahụ. N'ihi nke a, ọrụ nka ahụ nwere ike iyite onwe ha maọbụ dị iche site n'obodo ruo n'obodo. Ọrụ nka ahụ a na- arụ ọrụ dị icheiche. N'ịga n'ihu, Ifechi (2019) kọwara na ọrụ nka ahụ Afrika nwere ọrụ ọ na- arụ n'ebe iji ya zipụta mma, ike, ikikere, nkọwa onwe, ntozuoke na akara njirima. N'ihi nke a, n'ala Afrika, nwoke na nwaanyị na- esonye n'ịnata ọrụ nka ahụ, kama na ebunobi ha na- adị icheiche dịka o si gbasata agbụrụ maọbụ obodo ọbụla. Udenta (2019) kọwara na ọrụ nka ahụ nwere nke na- ezi ozi gbasara mmekọrịta, ọrụ obodo dị mkpa, ndọrọndọrọ ọchịchị, agha, ntọaja mmemme na ekpemekpe ọdịnala, ogo dị icheiche dịka emume ngafe ntozuoke, emume ịlụ di maọbụ nwunye, ọkwa mmadụ tinyere njirimara mmadụ tụmadị n'oge ịgba oru maka ịmata onye eze, onye oru na ọchị agha. N'ịkwado echiche a, Oma (2019) kọwara na ọrụ nka ahụ ndị a nwere ike ịgbado ụkwụ n'ekpemekpe maọbụ nkwenye chi ụfọdụ, nchekwaba mmadụ n'aka ajọ mmụọ dị icheiche maọbụ ọrịa ụfọdụ, tinyere izipụta akara njirimara obodo, otu maọbụ ihe gbasara onye dịka afọ ole onye ahụ dị, echichi na ọkwa. Obodo ụfọdụ ji ọrụ nka ahụ a egosi nkwụdosike maọbụ enwemike, ịchọ mma, n'igosipụta ogo dị icheiche dịka ịbanye n'otu ọgbọ, otu nzuzo, ogo ntozuoke dịka ogo alụmdi na nwunye, izipụta tinyere ọnọdụ abụm nwoke maọbụ nwaanyị. Udenta gara n'ihu kọwaa mkpa ọ dị ụmụaka Igbo inwe ezi ntọala gbasara ọrụ nka ahụ niile tụmadị ka o si gbasata agbụrụ Igbo maka ịkwalite nka, amamihe na mmasị ha tinyere nchekwa omenala Igbo. Ka osila dị,

ndị nchọcha lebara anya ịmata etu nke a si dị ire n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa.

Nsogbu Nchọcha

Ọrụ nka ahụ ndị Igbo bụ mmereme ọdịnala pụtara ihe nke ọma e ji achọ mma, egosi akara njirimara, ọkwa, ogo dị icheiche, echekwa, agwọ ọrịa, eme ekpemekpe ọdịnala na ndị ọzọ. Ọrụ nka ahụ a jupụtara na mmereme nka na amamiihe ọdịnala dị icheiche na- enyeaka ahazi ndụ mmadụ tinyere ibulite obodo. A tụtụ anya na ikụziri ụmụakwụkwọ Igbo ihe gbasara ọrụ nka ahụ ndị Igbo ga- enyere ha aka ịmata ọrụ nka ahụ dị icheiche, ebe ọbụla ha hụrụ ya, ighọta ya na ikewa ya n'ụdịdị ya, ịmata mpụtara akara nke ọbụla, inwe nhụtara nke onwe gbasara ya tinyere inwe nka mmepụta ya. Ikụziri ụmụakwụkwọ ihe ọmụmụ a ga- enyere ha aka ighọta na ọrụ nka ahụ ọbụla ha tinyere n'ahụ na- akọwa maka ọnọdụ, ụdị, ọdịdị ahụ, amamiihe na agwa ha, tinyere nka onye ahụ nwere gbasara amamiihe ọdịnala Igbo. I nwe nka gbasara mmepụta ọrụ nka ahụ dị ezigbo mkpa, n'ihi na ọ na- echekwa omenala na ịkwalite ọnọdụakụnụba. Nke a bụ maka na ọ bụghị naanị ịchọ mma nke onwe ka ọ na- arụ, kama na a na- ezipụta ya ebe a na- eme ejije ọdịnala Igbo nke onyonyo nọlịwudu, ebe a na- eme mmemme ọdịnala dị ichiche dịka emume iri ji ọhụụ, igba nkwụ nwaanyị, ebe a na- echi echichi, ebe a na- agba egwu na ndị ọzọ. Ka osila dị, ọ bụ ihe dị obi nwute na ụmụafọ Igbo amaghị ihe gbasara ọrụ nka ahụ ndị Igbo, nke ha ji amata ihe gbasara ozi ọ na- ezi maọbụ ọrụ ọ na- arụ, tinyere na ha enweghị nka mmepụta ya maka nchekwaba omenala na ịkwalite ọnọdụ akụnụba obodo. Ihe ọzọ dị obi nwute bụ na ụmụaka Igbo jizi ụzọ ịchọ mma bekee hibe isi, ma bụrụ ndị na-enwe nleda anya n'ọrụ nka ahụ ndị Igbo ma na- ahụta ya ka ihe ndị ime obodo na ikpere arụsị. Ụdị ajọ ọnọdụ a na- emetụta ntọala ụmụaka na- etolite etolite kwesiri ịnata gbasara ọrụ nka ahụ. N'ihi nke a, nchọcha a chọrọ ileba anya n'etu nkuzi ọrụ nka ahụ ga- esi enyeaka n'ịkwalite ịchọ mma ọdịnala Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha a ka a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha.

1. Kedu ọrụ nka ahụ pụtara ihe n'ọdịnala Igbo?
2. Kedụ ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị a na- ezi?

3. Kedu ụzọ dị icheiche a ga- esi kụzie ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị?

Ntulegharị Agụmagụ

N'ọdịnala Igbo, e nwere ụzọ dị icheiche ndị Igbo ji achọ ahụ ha mma. N'oge gboo, ndị Igbo dịka ndị Afrịka ndị ọzọ bụ ndị nwere ịhụnanya n'iji akara dị icheiche egosi njirimara agbụrụ maọbụ mpaghara obodo ha bido mgbe a mụrụ nwata. Oge ụfọdụ, akara ndị a na- ama mma ebe ụfọdụ dị omimi mana atụkwa ụjọ (Oma, 2019). Dịka o si dị n'ala Afrika, Ewulu (2016) kọwara na ọrụ nka ahụ e nwere n'ala Igbo gụnyere igbu egbugbu (ichi, nki, egbugbu, ibi mbubu na akara ọgbanje), ite uri (uli) ahụ, iyi aka, iyi mgba, tinyere mkpọpụ akụkụ ahụ. A bịa n'akara ndị a e ji achọ mma nke ahụ, ụfọdụ bụ ndị dịịrị ụmụnwoke, ebe ụfọdụ dịịrị ụmụnwaanyị, tinyere na ụfọdụ dịịrị ma nwoke ma nwaanyị.

IGBU EGBUGBU N'AHỤ: N'oge gboo n'ala Afrika tụmadị na mpaghara Naijirịa, Chad, Ethopịa na Zaire, a na- egbu nwata a mụrụ ọhụrụ akara egbugbu/mbubu iji nye ya akara njirimara nke ezinaụlọ maọbụ agbụrụ (Ifechi, 2019). E nwere nkwenye na inwe akara egbugbu a pụtara ihe nke ọma n'oge agbara ohu, oge a na- atọrọ mmadụ n'ike nakwa n'oge agha. N'ihi ya, onye maọbụ ndị ọbụla erepuru dịka ohu n'aka ndị ọcha bụ site akara a ka e si amata agbụrụ ha ma ọ bụgoduru na- azọpụta ha. Akara egbugbu a na- adịgde n'ahụ mmadụ ruo n'ọnwụ. N'echiche Udenta (2019), akara egbugbu bụ ọrụ nka ahụ a na- akpachapụ anya akawa akpụkpọ ihu, afọ, azụ maọbụ akụkụ ahụ ndị ọzọ maọbụ ịgba ya ọkụ, iji nweta akara njirimara, igosi ogo ntozuoke, ọkwa akụnụba maọbụ enwemenwe, izipụta nwaanyị ga-amụ nwa dịka o si dị na mba Egypt, izipụta ọnọdụ mmadụ dịka onye ogbi maọbụ ebumnobi ndị ọzọ. Ifechi (2019) kọwara na a na- akanye akara egbugbu a n'oge agha obodo na obodo maọbụ agbụrụ na agbụrụ maka nchekwaba, maka ịchọ mma, maka nkwenye ọdịnala na ịgwọ ọrịa, igosi ọkwa akụnụba na nchekwaba n'aka ndị iro, ndị amusu na ihe egwu ndị ọzọ. Akara egbugbu/ mbubu a dị icheiche ma nwekwaa aha dịkwazị icheiche bụ nke na-agbado ụkwụ n'ụdị ọnụọgụ ole mbubu ahụ nwere, ụdị ka ahịrị ahụ si too ogo na etu e si hazie ya. N'obodo ụfọdụ na Naijirịa dịka ala Yoruba, akara egbugbu a dị ire, nke na nwata ọbụla na- enweghị akara a anaghị ezuoke dịka nwafọ n'ebe ịkpa agwa, ikele ekele, inye iwu na ikikere dị, tinyere na ha nwere aha egbugbu dị icheiche dịka abaja, abaja merin, abaja alagbede, pele, ture, keke maọbụ gombo.

Ka osila dị, akara egbugbu/mbubu ezughị ọnụ n'ala Igbo niile. Akara ndị pụtara ihe n'ala Igbo gụnyere ichi, mbubu, egbugbu, nki na akara ọgbanje.

Ichi : Nke a bụ ụdị egbugbu a na- egbu nwoke n'ihu iji gosi na nwoke eruọla ihe e ji mmadụ eme tinyere ụmụnwaanyị ụfọdụ dịka ndị eze nwaanyị. Ichi nwere ntọala n'igosipụta mmekọrịta, ogo mmadụ na ndọrọndọrọ ọchịchị, ọkwa akụnụba. N'ihi ya, ọ bụ nwoke nwere ogo na ọkwa akụnụba dị elu ka a na- egbu ichi. Onye dị otu a nwekwara ike igbu ụmụ ya ichi mgbe ha ka bụ ụmụaka. Ichi abụghị naanị akara na- egosi ogo na ọkwa dị elu, kama ọ na- ezipụtakwa onye a mara ama nwere ezi agwa, ugwu na nsọpụrụ n'obodo. Ndị nwoke nwere akara ichi na- ahụ ka a na- enye ohere ịchụ aja ụfọdụ dị icheiche tinyere ichi ndị nwadịala ama ama n'obodo echichi. Ichi nwere akara abụọ gụnyere akara Agbaja na akara Ndiri.


- Akara Agbaja bụ akara ichi nke na- adị okirikiri ka ọnwa maọbụ ọnwa e kejiri ụzọ abụọ, ma bụrụ nke e ji mara ndị Nkanu na Awgu.
- Akara Ndiri bụ akara ichi nke na- adị ka anyanwụ, ma bụrụ nke na- ebido n'oke ihu ruo na nchị mmadụ, bụ nke e ji mara ndị Awka na Nri.
-



Eserese a si na Wikipedia

N'ihi na ịkanye akara ichi na- afụ ụfụ, maka na e ji mma ebechapụ akpụkpọ ahụ, nke nwere ike iwe otu awa na- enyeghị onye ahụ ọgwụ ọbụla, ọ bụ akara e ji amata okenye maọbụ nwata nwoke nwere obi ịdị ndidi na- etighị mkpu. Akara ndị a na- adị onye ahụ n'ahụ ganye na ọ nwụọ. N'ala Igbo niile, ọ bụ ndị Ụmụdịọka na Neni bụ ndị a mara nke ọma n'igbu ichi, nki na mbubu. A na- akanyekwa akara ichi n'ihe ndị ọzọ na- abụghị ahụ mmadụ dịka mgbo ọnụ ụzọ, apịrịapị arụsị, oche, isi mmọnwụ na akpụrụakpụ ite e ji achụ aja. Iji gosi na ichi bụ akara bara nnukwu uru n'ala Igbo, e nwere emume e ji ezipụta ya, bụ nke a na- akpọ 'emume omenala nka dịọka'.

Ibi mbubu: Ibi mbubu bụ otu ụzọ pụtara ihe ụmụnwaanyị si achọ onwe ha mma. Ibi mbubu nwaanyị bụ nke na- esite n'obi onye ahụ, gaa n'elu afọ ma ruo n'okpuru otubo onye ahụ. Nke a bụ ụzọ e si amata na nwaanyị etozuọla ihe e ji mmadụ eme.



Eserese a si na Wikipedia

Egbugbu : N'oge gboo, ndị Igbo bidoro igbu akara egbugbu n'ihu na akụkụ ahụ ndị ọzọ, iji gosi ndị bụ ohu na nwadịala. Akara egbugbu dị icheiche ka a na- egbu oge ahụ, ma nke a gbadoro ụkwụ na obodo ebe a mụrụ nwa ọhụrụ.



Eserese a si na Wikipedia

Nki : Idu nki bụkwa ụzọ pụtara ihe ndị nwoke ma nwaanyị ji achọ ahụ ha mma, ma nke a bụ akara nkịtị agbụrụ maọbụ obodo dị icheiche chọrọ iji ya nyaa isi na- akanye n'ahụ ha iji gosi onye ọbụla na ha bụ ndị siri ike na- anaghị atụ ụjọ ihe ụfụ ọbụla. Akara nki na- acha akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ ma bụrụ nke e ji aga akanye n'ahụ. A na- eji nki ese ihe dị icheiche dịka ngwere, mbe na anụ ndị ọzọ n'elu ahụ mmadụ.





Eserese a si na Wikipedia


Akara ọgbanje na ọrịa ndị ọzọ : Ndị Igbo nwere nkwenye na ụzọ e si echekwaba ndụ ụmụaka n'oge gboo, ka mmụọ ọjọọ a na- akpọ ọgbanje hapụ igbu ha bụ site n'ịkanye akara n'ahụ ụmụaka a mụrụ ọhụrụ. E nwekwara ọrịa ndị ọzọ dị icheiche ụmụaka na- arịa, bụ nke a na- esite n'ịkanye akara n'ahụ ha agwọ ọrịa ndị ahụ, dịka ọrịa nkụja, ọrịa ihe ọdụdọ na ndị ọzọ na- arịa ụmụaka.




Eserese a si na Wikipedia

Ide uri/uli ahụ: Ide uri ahụ bụ iji agwụgwa dị icheiche tụọ ahụ mma tụmadị ụmụnwaanyị, bụ nke mba Afrika dị icheiche na- ezipụta n'omenala ha mgbe ha na- eme mmemme, ịchọ mma kwa ụbọchị, ezipụta ogo ngafe ntozuoke nwaanyị maọbụ nwoke (ịwa akwa na iru mgbede), oge ịlụ di, oge ịmụ nwa, maka nchekwaba, n'oge ntọaja na ekpemekpe ọdịnala, izipụta afọ ole mmadụ dị maọbụ oge iru uju. Uri ahụ ndị a na- anọ nwantịtị oge n'ahụ. E nwere uri oji, graffiti, odo, nzu, ọtanjele, nsibidi na ndị ọzọ. Ndị Igbo na- ejikwa uri achọ ụlọ ha mma. Echeruo (1981) kọwara na ide uri ahụ bụ ụzọ omenala ndị Igbo ji achọ mma, ekpuchi, ekpughe, ezipụta mgbanwe na iziriịta ozi mmekọrịta gbasara ahụ mmadụ, echichi ya, agbụrụ ya, ekpemekpe na nkweye, ikikere, echiche na mma ahụ. Oma (2019) kọwara na ozi a niile e ji uli ezi, na-agbado ụkwụ n'ihe ọkpụ, ihe mere n'oge gara aga, nke na-eme ugbu a nakwa nke nwere ike ime n'oge ọdịnihu. Ọ bụ ụzọ ndị Igbo si ezipụta áká ñkà na amamiihe ha. Uri ahụ ndị a na- esite na ngwa ihe okike dịka osisi, okwute, mmanụ, ụrọ, nzu, ntụ, nsị atụrụ, mmammiri, ma nke a na-agbado ụkwụ na mpaghara obodo. Nke a mere na uri ahụ e nwere n'ala Igbo

gụnyere uli, uhie, tanjere na nzu, ọgaalụ, nkasịala, odo bụ nke e ji aka, osisi maọbụ ahịhịa ete ya n'ahụ mmadụ. Uli ka a na-ese n'ụdị dị icheiche n'ahụ mmadụ dịka n'aka, ụkwụ, obi maọbụ afọ, n'ahụ aja ụlọ ọtọ maọbụ ihe mmebere ọzọ dị icheiche. E nwere ụdị dị iche iche e ji ese uli a n'ahụ mmadụ. Eserese ya nwere ike ịdị okirikiri, e nwere ike ọ kwụrụ ọtọ maọbụ gbagọọ agbagọọ. Nsibido bụ ihe doro anya na ọ bụ ederede ndị otu nzuzo. A na- edekwa nsibidi n'akpụrụakpụ ụfọdụ dịka igwe na ite aja, ihe e ji enyi isi na aja ụlọ. Nsibidi a nwere akara dị icheiche bụ nke mpụtara ya dịkwazị icheiche gbadoro ụkwụ site n'akara na- egosi ịhụnanya ruo n'akara mpụtara ya nwere echiche nzuzo. Oge ugbua ndị Bekee kpọrọ ya "tatuu". E nwere ike iji ya see anụmanụ n'ahụ mmadụ dịka eke, akpị maọbụ ngwere. E ji ya ese ihe dịkwazị ka ite, oche, ji, akwụkwọ, ọnwa, kpakpando, anyanwụ, nnụnnụ, ọjị. Ọ bụ n'ihi aha a ndị bekee bara ya mere ndị na-akụ egwu, ndị na-agba mgba na ndị na-eme ihe ejije n'onyonyo jiri ya wee mee isi a hụrụ kwaba okpu.



Eserese a si na Wikipedia

Uhie : Uhie bụ nke e si n'okwute echichapụta, bụ nke na- acha mmemme. E ji ya achọ ahụ ụmụnwaanyị mma. Uhie pụtara ihe nke ọma n'ebe ụmụnwaanyị nọ, n'ihi na ọ bụ ya ka e ji akwadobe nwagbọghọ toruru ịlụ dị, n'oge emume iru mgbede tinyere n'oge emume ndị ọzọ gbasara ụmụnwaanyị n'ala Igbo. Nke a bụ maka na ọ na- eme anụ ahụ ka ọ dịka ahụ obere nwa na- akwọ bọrọbọrọ.



Eserese a si na Wikipedia

Tanjele: Tanjele bụ ngwa ịchọ mma ụmụnwaanyị na – acha anyụrụ anyụrụ. Ha na- egweri ya ma tinye na mkpọ. Ọ bụ ọdụ ajụ ọkụkọ ka e ji ete ya n'ala anya.

Nkwenye ndị Igbo bụ na ọ na- eme ka nwaanyị chawapụta nke ọma. E nwekara nkwenye na ọ na-agwọ ọrịa anya, ma nke a mere na a na – ete ya ụmụaka père mpe.

Nzu : Nzụ bụ nke na – acha ọcha ọcha. Nzụ bụ ụmụnwoke ka eji ya achọ mma, tinyere ụmụnwaanyị ụfọdụ na - efe arụsị. Ndị na- eji nzu achọ mma bụ ndị isi ọgọmmụọ/eze mmụọ/eze nwaanyị, ndị dibia, ndị na- agba afa, ndị na – ahụ ọhụ, ndị na- etipụta mmọnwụ, ndị chiri echichi, ndị na – agba egwu ọdịnala. Ka osila dị, ndị na – eme ihe ejije ugbu a na – eji ya achọ onwe ha mma. Nzụ bụ nke ndị Igbo kwenyere na ọ na- agwọ ọrịa akpụkpọ ahụ ma bụrụ akara na- egosi onye aka ya dị ọcha na- akpa ezi agwa.





Eserese a si na Wikipedia

Odo: Nke a bụ ihe e ji ezipụta akara udo n'ala Igbo ma bụrụkwa nke pụtara ihe nke ọma n'ebe ekpemekpe ọdịnala Igbo dị.

Ákà: Ákà bụ ọrụ nka ahụ ọzọ pụtara ihe ma ruo taa n'ala Igbo nakwa n'Afrika niile. N'ala Igbo dịka o si dị n'Afrika niile, ha na- eyi ákà nwere agwụgwa dị icheiche n'ahụ, olu, isi, áká, úkwù, ukwu (mgba ukwu, mgbaji, jigida, maọbụ "girigiri"). Ákà na-acha agwa dị iche iche. E nwere ndị na-acha mmemme, odo odo, ojii, ọcha maọbụ agwa ndị ọzọ. Ụdị agwụgwa ákà nwere maọbụ etu e si wee gaa ya na- ezi ozi ụfọdụ gbasara onye yi ya, dịka onye eze, onye chiri echichi, maka izipụta ọkwa maọbụ ùgwù mmadụ nwere, ọnọdụ abụm nwoke maọbụ nwaanyị, ọnọdụ ụmụagbọghọ maọbụ onye lụ di, ụmụ ole onye ahụ mụrụ, ogo akụnụba tinyere ihe ndị ọzọ. Ibeabuchi (2010) kọwara n'ákà nwere ọnọdụ n'ebe ọkwa akụnụba na ọchịchị dị. Obodo e ji ịkpa ákà mara n'ala Igbo bụ Agulu. Nke a mere e ji gụọ n'egwu si na e wezụga Agulu, Igbo e buru ọnụ. E ji ngwa dị icheiche emepụta ákà ndị a, bụ nke gụnyere eze, ụdọ, ọkpụkpụ, okwute, mkpụrụ, osisi,

mpị anụ, okpokoro anụ dg. E nwere ụdị ákà dị icheiche bụ nke nkewa ya na-agbado ụkwụ n'ụdị ngwa e ji kpaa ha, ụdị e si kpa ya, ebe a na-akpa ya, otu ọkpụkpa ya si bido, etu ihu ákà ahụ dị maọbụ etu ákà ahụ a kpapụtara dị. E nwere ákà ndị na-ebu ibu/epe mpe, a dị okirikiri maọbụ gbagọọ agbagọọ ma na acha ụdị dị icheiche. Ákà tụmadị nke úkwù na- arụ ọrụ dị icheiche n'inweta ụdị ọdịdị ahụ kwesiri maọbụ úkwù gbara okirikiri ma gbochie ibu nnukwu ibu, n' inweta afọ tabara n'ime, olu toro ogologo na ara kwụ akwụ/ọtọ dịka agbara nwaanyị na ịmata nwaanyị nwere ezi agwa. Ọ na- enye aka ka nwaanyị mụọ ọtụtụ ụmụ, e ji ya egbochi ibute afọ ime, echekwaba onwe ha n'ebe mmụọ ọjọọ maọbụ mmụọ ọlụ ụwa dị. E ji ákà achọ mma, maka nchekwaba, inwe otu obi na ịkwụdosi ike, idozi ebe/ihe tinyere ihe onye ahụ rụpụtara. Ndị Igbo dịka ndị Afrika na- eyinye ákà dị icheiche tinyere ọdụ (ivori) ma nke e ji ọkpụkpụ azụ na okpokoro anụ wee kpaa. Iji gosi ka ndị Afrika si nabata ákà maka ịchọ mma na ihe ndị ọzọ, mere na mgbe ndị ọcha bịara na ha webatara ákà e ji ugegbe wee rụọ bụ nke ha ji gbaraba ndị mmadụ dịka ohu.



Eserese a si na Wikipedia

Mgba/Iyeri: Mgba/Iyeri bụ ọrụ nka ahụ ọzọ pụtara ihe n'Afrika tụmadị n'ala Igbo, ma bụrụ nke a mara na nwoke ma nwaanyị na- eyi ya. Mgba ndị a gụnyere mgba olu, mgba isi, mgba aka, mgba ukwu, mgba nwa aka, mgba imi, mgba afọ gba/iyeri ntị na ndị ọzọ iji chọọ mma, chụpụ ajọ mmụọ, Igosi ogo akụnụba na ihe ndị ọzọ. Mgba ndị abụ nke e si n'ajụ anyịnya, osisi, igwe na okpokoro azụ anụ dịka ekpuru mbe emepụta.



Eserese a si na Wikipedia

Ịgapu/Ịkpọpu ahụ: Afrika bụ ndị e ji ịkpọpu mpaghara ahụ ụfọdụ wee mara dịka egbugbere ọnụ tụmadị nke ala, imi, ntị, ire, olu, otubo, ara, amụ, nkuanya, ọtụ, bụ nke a na- eyinye obere mgba iji nweta mgbanwe n'ọdịdị ahụ mmadụ maka ịchọ mma, iji gosi ogo maọbụ ọkwa akụnụba. Ụdị ịchọ mma a na- ewe ọtụtụ afọ tupu ọ bụrụ njirimara obodo maọbụ agbụrụ ahụ.



Eserese a si na Wikipedia

Ntụlegharị Nchọcha emerela

Okoye (2019) mere nchọcha nke isiokwu ya bụ Igbu ichi dịka ngwa mmata nwoke tozuru etozu na Steeti Anambra. Mbunuche nchọcha ya bụ ịchọpụta ihe kpatara e ji ahụta igbu ichi dịka akara ntozu. Onye nchọcha gbasoro usoro sọvee mee nchọcha ya. Onye nchọcha ahụ gbasoro usoro nhọrọ nsere wee họpụta ndị okenye dị iri atọ ọ gbara ajụjụ ọnụ.

Nchọcha ya gosiri na ebunobi e ji egbu ichi bụ iji chọpụta ndị nwoke gbagotere na ndọrọndọrọ ọchịchị obodo na ọnọdụ akụnụba tinyere onye a maara ama nwere ezi agwa, ugwu na nsọpụrụ n'obodo. Nchọcha a dị n' elu na nke a na- eme ugbu a nwere myiri maka na ha abụọ na- ekwu maka ọrụ nka ahụ. Ka osila dị, nchọcha abụọ ndị a dịwagara iche maka na nke e nyochara lebara anya na igbu ichi naanị, ebe nchọcha ugbu a lebara na nkuzi ọrụ nka ahụ ndị Igbo niile dịka ngwa ịkwalite ịchọ mma ọdịnala Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa.

Atụtụ Nchọcha

Atụtụ ọmụmụ mmekọrịta (John Dewey, 1989)

Atụtụ ọmụmụ mmekọrịta bụ nke John Dewey guzobere n'afọ 1989. Atụtụ a kwenyere na ọmụmụ kachasị dị ire ụmụaka si enweta echiche nke ha bụ site na mmekọrịta na ihe a na- ahụ anya. Atụtụ a kwenyere na mgbe ụmụaka na- enweta echiche ọhụrụ, agbakwụnyere ya na amamiihe ha nweburu, na ha na- enweta echiche na nhụtara nke onwe ha. Atụtụ a gbasatara nchọcha a, ebe ọ bụ na ndị nkuzi mee ka ụmụaka mata ihe gbasara ụzọ ịchọ mma ndị Igbo na ọ ga- enyere ụmụaka aka inwe mkpalite mmụọ na amamiihe gbasara ụzọ ịchọ mma ndị Igbo. Ọzọ bụkwa na ọ ga- enyere ụmụakwụkwọ aka inwe ezi ntọala n'ihe gbasara ọrụ nka ahụ ọdịnala Igbo, ọrụ na ozi ọ na- ezi.

Usoro Nchqcha

Xd[nchqcha qmxmx a bx usoro sqvee. Nworgu (2006) hxtara usoro sqvee dịka usoro na- akọwa isiokwu, agwa maqbx ihe a na-ahxta gbasara nd[e ji eme nchqcha n'usoro n'usoro, n'agbakqnyegh[maqbx iwepu ihe ọbụla n'ihe a na-ahxta anya oge ahx a na-eme ya bx nchqcha. Onye nchqcha hxtara xd[nchqcha a, d[ka ihe dabara n'isiokwu nchqcha ya, ebe q bx na nchqcha a nwere mmas[n'[mata etu a ga- esi kuzie ọrụ nka maka ịkwalite ịchọ mma ọdịnala Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ na-eto eto n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Steeti e ji mee nchọcha gụnyere Enugu, Anambra na Imo. Nd[e ji mee nchqcha kpqmkwem bx nd[nkxzi na- akxzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Ndị e jiri mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị nkuzi dị iri asatọ bụ nke ndị nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta site n'ụlọakwụkwọ sekọnd[rị iri anọ. Ngwa e jiri mee nchqcha a bx njxmaza bx nke ihe e depxtara na ya d[iri atọ

na abụọ (32) n' ime nkeji atọ. Ndị nchqcha lelere [nqgide n'qnqdx nke agbanwegh[agbanwe site n'iji usoro ntxcha data a na-akpq Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.79. E jiri ntxcha miin na nd[px n'izugbe wee nweta qs[sa nchqcha. Ihe e guzobere maka [nweta ihe nchqcha bx nke gbadoro xkwx n'usoro liket[ma ihe mpxtara ya bx nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jxrx ajx, JKK – jxrx kpam kpam bx nke e nyere akara 4,3,2,1. Qs[sa qbxla e nwetara pekar[r[2.50 gosiri ekwegh[ekwe, ebe qs[sa nke ruru akara 2.50 maqbx kar[a gosiri [guzosi ike kwem maqbx kwere ekwe bx nke gbadoro xkwx otu e si wee hazie ajxjx nke qbxla.

Nchqpxta

Ihe e nwetara site na nchqcha ka e zipxtara na tebul atọ d[ka o si gbasata ajxjx nchqcha atọ onye nchọcha guzobere.

Ajxjx nchqcha 1: Kedu ọrụ nka ahụ pụtara ihe n'ọdịnala Igbo?

Tebul 1: Miini echiche nd[nkuzi n'ịmata ọrụ nka ahụ pụtara ihe n'ọdịnala Igbo.

Ọn ụọg ụ	Ndịna	Miin	Ndịp ụ n'izu gbe	Mkpebi
1	Ichi	2.50	.50	Kwere ekwe
2	Ibi mbubu	2.52	.51	Kwere ekwe
3	Egbugbu	2.54	.50	Kwere ekwe
4	Nki	2.51	.50	Kwere ekwe
5	Akara Ọgbanje na nrịa nrịa ndị ọzọ.	2.60	.51	Kwere ekwe
6	Ide uri/uli ahụ	2.90	.72	Kwere ekwe
7	Uhie	2.89	.78	Kwere ekwe
8	Odo	2.93	.74	Kwere ekwe
9	Nzu	2.89	.70	Kwere ekwe
10	Tanjele	2.96	.76	Kwere ekwe
11	Mgba/Iyeri	2.97	.71	Kwere ekwe
12	Ákà	2.81	.79	Kwere ekwe
13	Ịgapu/Ịkpọpu ahụ	2.81	.58	Kwere ekwe
14	Nsibido	2.67	.51	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.73

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ọrụ nka ahụ pụtara ihe n'ọdịnala Igbo. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iri na anọ (1 – 14). Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.73 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ ọrụ nka ahụ pụtara ihe n'ọdịnala Igbo.

Ajxjx nchqcha 2

2. Kedu ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi?

Tebul 2: Mini echiche nd[nkuzi n 'ịmata ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi.

Ọnụọgụ	Ndịna	Miin	Ndịpụ n'izugbe	Mkpebi
1	E ji ya egosi akara njirimara mmadụ, agbụrụ maọbụ obodo.	3.00	.81	Kwere ekwe
2	E ji ya achọ mma.	3.00	.77	Kwere ekwe
3	Ọ na- egosi ogo dị icheiche na ndụ mmadụ, tụmadị ogo ntozuoke.	2.89	.66	Kwere ekwe
4	E ji ya egosi ọkwa maọbụ ogo akụnụba	2.80	.73	Kwere ekwe
5	E ji achụ ajọ mmụọ, echekwaba mana agwọkwa ọrịa dị icheiche (arụbara, ihe ọdịdọ).	2.98	.68	Kwere ekwe
6	E ji ya eme ekpemekpe ọdịnala na ntọaja	2.83	.66	Kwere ekwe
7	E ji ya ezipụtakwa onye chiri echichi maọbụ onye a mara ama nwere ezi agwa, ugwu na nsọpụrụ n'obodo.	2.88	.70	Kwere ekwe
8	E ji egosi ụdị mmadụ tinyere ọnọdụ dị icheiche.	2.89	.75	Kwere ekwe
9	E ji egosi inwe otu obi na ịkwụdosi ike.	2.81	.73	Kwere ekwe
10	E ji ya enweta ọdịdị ahụ mara mma tụmadị aka.	2.89	.68	Kwere ekwe

11	Ọ na- egosi ọnọdụ abụ m nwoke maọbụ nwaanyị.	2.78	.59	Kwere ekwe
12	E ji ya ezi ozi nzizo	2.55	.50	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.87

Tebul nke abụọ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ịmata ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iteghete nke bidoro 1 - 12. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.87 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi.

Ajxjx nchqcha 3

1. Kedu ụzọ dị icheiche a ga- esi kụzie ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị?

Tebul 3: Miin echiche nd[nkuzi n 'ịmata ụzọ dị icheiche a ga- esi kụzie ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị.

Ọnụọgụ	Ndịna	Miin	Ndịpụ n'izugbe	Mkpebi
1	Ikuzi ya site n'ezinaụlọ, ebe ndị nne na nna ga na- egbu ya ka ụmụaka ha na- ahụ ya.	3.01	.69	Kwere ekwe
2	Ikuzi ya n'ụlọakwụkwọ, ebe ndị nkuzi ga- egosikwa ya ụmụakwụkwọ ma nyekwa ha ya dịka ihe omume.	2.90	.80	Kwere ekwe
3	Izipụta ya site n'aka ndị na- eme egwuregwu ọdịnala nke onyonyo Nọlịwudu, ebe onye ọbụla na- elele ihe onyonyo ga na- ahụ ya.	2.67	.59	Kwere ekwe
4	Izipụta ya ebe a na- eme mmemme ọdịnala Igbo dịka ebe a na-echi echichi, ịlụ nwaanyị, iri ji ọhụrụ,	2.75	.65	Kwere ekwe
5	Izipụta ya ebe a na- agba egwu ọdịnala mana n'obodo mana ụlọakwụkwọ.	2.65	.68	Kwere ekwe

6	Izipụta ya ebe a na- eme ekpemekpe na ntọaja ọdịnala Igbo.	2.73	.66	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.71

Tebul nke atọ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ịmata ụzọ dị icheiche a ga- esi kụzie ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị ise bidoro 27 - 32. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.71 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ ụzọ dị icheiche a ga- esi kwalite ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ.

Mkpokọta Nchọcha

Site na nchọcha e mere, ihe ndị a bụ ọkpụrụkpụ ihe a chọpụtara:

1. Na ọrụ nka ahụ ndị Igbo pụtara ihe gụnyere ichi, ibi mbubu, egbugbu, nki, akara ọgbanje na nrịa nrịa ndị ọzọ, ide ur/uli, uhie, odo, nzu, tanjele, mgba/iyeri, aka, ịgapu/ịkpọpu ahụ tinyere nsibidi.
2. Ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi gụnyere iji ya egosi akara njirimara mmadụ, agbụrụ maọbụ obodo, iji ya achọ mma, iji ya gosi ogo dị icheiche na ndụ mmadụ tụmadị ogo ntozuoke, iji ya egosi ọkwa maọbụ ogo akụnụba, achụ ajọ mmụọ, echekwaba mana agwọkwa ọrịa dị icheiche, iji ya eme ekpemekpe ọdịnala na ntọaja, iji ya ezipụta onye chiri echichi maọbụ onye a mara ama nwere ezi agwa, ugwu na nsọpụrụ n'obodo, iji ya gosi ụdị mmadụ tinyere ọnọdụ dị icheiche, iji egosi inwe otu obi na ịkwụdosi ike, iji ya enweta ọdịdị ahụ mara mma tụmadị aka, iji ya egosi ọnọdụ abụ m nwoke maọbụ nwaanyị tinyere iji ya ezi ozi nzizo.
3. Ụzọ dị icheiche a ga- esi kụzie ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị gụnyere ikuzi ya site n'ezinaụlọ, n'ụlọakwụkwọ, izipụta ya site n'aka ndị na- eme egwuregwu ọdịnala nke onyonyo Nọlịwudu, izipụta ya ebe a na- eme mmemme ọdịnala Igbo dịka ebe a na-echi echichi, ịlụ nwaanyị, iri ji ọhụrụ, izipụta ya ebe a na- agba egwu ọdịnala tinyere izipụta ya ebe a na- eme ekpemekpe na ntọaja ọdịnala Igbo.

Mkparịtaụka

Ihe a chọpụtara gosiri na ọrụ nka ahụ ndị Igbo pụtara ihe gụnyere ichi, ibi mbubu, egbugbu, nki, akara ọgbanje na nrịa nrịa ndị ọzọ, ide uri/uli, uhie, odo, nzu, tanjele,

mgba/iyeri, aka, ịgapu/ịkpọpu ahụ tinyere nsibidi. Nchọcha a yitere nchọcha Udenta (2019), Ihuoma (2019) na Oma (2019) bụ ndị gbadoro ụkwụ na ọrụ nka ahụ bụ ụzọ otu, mmadụ, agbụrụ maọbụ obodo dị icheiche gụzobere iji zipụta echiche ha tinyere akara njirimara na omenala.

Nchọpụta ọzọ gosiri na ọrụ maọbụ ozi ọrụ nka ahụ ndị Igbo na- ezi abụghị naanị maka ịchọ mma kama na ọ gbadoro ụkwụ n' igosi akara njirimara mmadụ, agbụrụ maọbụ obodo, igosi ogo na ọkwa akụnụba tinyere ọnọdụ abụm nwoke maọbụ nwaanyị. Na nkwenye ọdịnala Igbo, ọ na- achụ ajọ mmụọ, echekwaba ma na- agwọkwa ọrịa dị icheiche, ọnọdụ abụ m nwoke maọbụ nwaanyị tinyere iji ya ezi ozi nzuzo. Nchọpụta a dabara na nke Ifechi (2019) na Ezegbu (2019) bụ ndị kọwara na ọrụ nka ahụ bụ otu omenala bara nnukwu uru n'inye mmadụ ntọala ndụ dị ire n'obodo ya.

Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na ụzọ dị icheiche a ga- esi kwalite ọrụ nka ahụ ndị Igbo n'etiti ụmụakụkwọ sekọndịrị gụnyere ikuzi ya site n'ezinaụlọ, n'ụlọakwụkwọ, izipụta ya site n'aka ndị na- eme egwuregwu ọdịnala nke onyonyo Nọlịwudu, izipụta ya ebe a na- eme mmemme ọdịnala Igbo dịka ebe a na-echi echichi, ịlụ nwaanyị, iri ji ọhụrụ, izipụta ya ebe a na- agba egwu ọdịnala tinyere izipụta ya ebe a na- eme ekpemekpe na ntọaja ọdịnala Igbo. Nchọpụta a dabara na nke Ọma (2019) na Obe (2020) bụ ndị gbadoro ụkwụ na amamiihe, nka na mmasị nwata ọbụla na- enwe na omenala maọbụ akara njirimara ya gbadoro ụkwụ ka o si natadobe ntọala n'omenala ya.

Mmechị na ịtụ alo

Ikuzi ụmụakwụkwọ ọrụ nka ahụ ndị Igbo ga-enye aka ime ka ha nwee nkwalite n'amamiihe, mmasị na nka a tụrụ anya n'aka ha n'ebe ịchọ mma ọdịnala Igbo dị. N'ihi nke a, ndị nchọcha tụtara alo ndị a:

1. A ga-ahazigharị korikulum e ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị iji hụ na e webata ọmụmụ ọrụ nka ahụ ndị Igbo dịka otu ihe ọmụmụ, maka inweta amamiihe na imejupụta ebumnobi agụmakwụkwọ.
2. Ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-ahụ na ha nyere aka n'ịkpọ ụmụaka gaa njem nlereanya dịka ebe a na- eme mmemme ọdịnala Igbo, maka ịhụta ọrụ nka ahụ ndị Igbo dị icheiche nakwa ọrụ nke ọbụla na- arụ.

3. A ga-ahazi ọgbakọ ebe a ga-anọ mee ka ndị nne na nna mata mkpa ọ dị isite n'ụlọ nye ụmụaka ntọala n'ihe gbasara ọrụ nka ahụ ndị Igbo.
4. A ga-ahaziri ụmụakwụkwọ na- eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ọgbakọ wọkshọpụ ịkọwara ha na izipụtara ha ọrụ nka ndị Igbo na njirimara, ọrụ maọbụ uru nke ọbụla bara.
5. Ndị nkuzi nakwa ndị nne na nna ga- enyeaka ịhụ na ha kwadoro ụmụaka ha ilele ihe onyonyo nọlịwudu tụmadị mgbe a na- eme ejije ọdịnala Igbo, maka ịhụta ọrụ nka ahụ ndị a n'uju.

Nrụaka

Ebo, K.K. (2018). Body decoration in African Heritage. *African Journal of Archaeology 10*, 121 – 136.

Ewulu, M.O. (2016). Beauty and Scarification in African culture: challenges in Civilized world. *Journal of Cultural Studies*. *13*, 45 – 56

Ezegbe, I.O. (2019). *Cultural and economic value of African body arts*. Retrieved from http://www.academicconfidence.org/interest.

Ezegbe, J. (2019). *Ozi dị n'ọrụ nka Afrika*. Retrieved from http://www.google.com.

Ifechi,G. I. (2019). *Art and culture: aesthetics role in Igboland.* Retrieved http://www.google.com.

Ihuoma, T.H. (2019). Body art and expressions of social custom. *African Journal of Archaeology 10*, 21 – 34.

Ihuoma, R. and Oma, U. (2019). *Beautification in Africa: The Igbo perspective.* Retrieved from http://www.academicconfidence.org/interest.

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research, basic issues and methodology*. Nsukka: University trust publishers.

Obe, G. S. (2020). African body arts, challenges and prospects. *Journal of Cultural Studies*. *13*, 89 – 102.

Okoye, O. H. (2019). Igbu ichi dịka ngwa mmata nwoke tozuru etozu na Steeti Anambra. *African Journal of Archaeology 10*, 68– 72.

Oma, F.L. (2019). *Body Decoration in traditional Igbo culture*. Onitsha: Africana First Publishers.

Udenta, J. E. (2019). Body Adornment Practises in Africa: *symbolic death and rebirth.* Retrieved from http://www.academicconfidence.org/interest.